Ọrụ Ụmụnwaanyị Igbo N Ebe Nkwalite Na Nchekwaba Nri Ọdịnala Igbo Dị Maka Mbugo Ọkwa Akụnụba Na Nsonye Na Njem Nri Ụwa.

By

Gloria Ngozi Ugbor
Department of Arts Education/Centre for Igbo Studies,
University of Nigeria, Nsukka
ugbor.gloria @unn.edu.ng, 08067280506

Obasi Benedeth Chibuzor
Department of GSE College of Education, Akwanga
&
Umennaike Chika Chidi
Department of English, College of Education Akwanga, Nasarawa State

Ụmị

Nchọcha a lebara anya n'ịmata ọrụ ụmụnwaany Igbo n ebe ịkwalite na ichekwaba nri ọdịnala Igbo dị maka mbugo ọkwa akụnụba na isonye na njem nri ụwa. Nchọcha a dị oke mkpa n'ihi na nri bụzị otu omenala pụtara ihe n'ebe njem nleghara anya na mba ụwa dị. Ajụjụ nchọcha abụọ ka e ji wee mee nchọcha a. Onye nchọcha gbasoro usoro nkọwa sọvee wee mee nchọcha a. Onye nchọcha gbasoro usoro nhọrọ ebumnobi wee họpụta ụmụnwaanyị na- esi nri n'ezinaụlọ, ndị na-esi nri ahịa na ndị nwe ụlọ oriri, ndị na-eregarị nri n'okporo ụzọ maọbụ ebugarị nri n'ahịa, ndị inyom na-esi nri n'oge emume omenala Igbo dị iri asatọ, o jiri mee nchọcha. Ngwa e ji mee nchọcha bụ njụmaza, nke ihe e depụtara na ya dị iri abụọ na asaa na ime nkeji abụọ e nyere ụmụnwaanyị dị ịiri isii na ajụjụ ọnụ a gbara ụmụnwaanyị dị iri abụọ. Onye nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị agbanwe site n'iji usoro ntụcha data a na-akpọ Cronbach's Alpha na Bekee, ma e nwetara akara 0.84. E ịjiri ntụcha miin na ndịpụ n'izugbe wee nweta ọsịsa nchọcha na ntụcha ndịna maka ajụjụ ọnụ a gbara. Nchọcha e mere gosiri na ụmụnwaanyị ndị Igbo na-anọchite anya amamihe nri nke nna nna ha, njirimara obodo, na ịdị ike nke obodo, n'ihi ya, ha bụ ndị na-ebufe ihe nketa nri site n' ịkọ akụkọ, ịkụziri ụmụaka, na ịkụziri ndị na-amụ ọrụ, emepụta ihe ọhụrụ, emekwa na emume na oriri omenala ndị Igbo na- enwe ugwu na enyekwa obi ụtọ site n'isi nri ọdịnala, ha -na-alụ ọgụ megide nri ome ngwa ngwa juputara n'etiti ndị ntorobịa

maka ichekwa omenala na ndị ọzọ. Nchọpụta ọzọ gosiri na ụzọ a ga- esi hazie ma kwalite aka ọrụ ụmụnwaanyị Igbo n'ebe isi nri ndị Igbo dị ka ọ bụrụ ngwa nkwalite ọkwa akụ na ụba ha na ime ka nri ndị Igbo sonye na njem nri ụwa gụnyere ịkwado emume nri, ịkwado ụlọ ọmụmụ isi nri, ịmalite njem ahịa na ụlọ nri, ide akwụkwọ gbasara nri omenala Igbo na ndị ọzọ. Onye nchọcha tụtara alo mkpa ọ dị ngalaba gọọmenti na-ahụ maka njem nleta na omenala ịmepụta iwu na ego pụrụ iche maka ịkụzi akara na ịkwalite nri omenala Igbo maka inwe ọnọdụ n'ebe njem nlegharị anya n'ụwa dị na ihe ndị ọzọ.

Ọkpụrụkpụ okwu: ụmụnwaany Igbo, nri ọdịnala Igbo, nchekwa omenala, ọkwa akụnụba, njem nri ụwa

Mkpọlite

N'oge a, ụwa jikọtara ọnụ site n'nkanụzụ ọgbara ọhụrụ, nri bụ ụzọ dị ike e si ebufe omenala, mee ka ọ bụrụ ihe e ji azụ ahịa, ma kwanyere ya ugwu n'ụwa nile. N'ime ngalaba a, nri omenala abụghị naanị ihe na-enye obi ụtọ na isi ụtọ, kama ọ bụkwa akara ihe ncheta, ngwa nchekwa ndụ na omenala, akụkọ ihe mere eme, na ihe ọmụma nke mmadụ na obodo (Okoli & Okoli, 2021). N'ogo iri abụọ na otu, nri aghọgo otu n'ime ihe kacha akwalite njem nleta ụwa niile, nke a na-akpọkarị njem nlegharịanya nri ụwa ma ọ bụ njem ọmụmụ nri omenala. Njem nri bụ otu n'ime alaka njem nleta ebe ndị mmadụ na-eje njem iji mụta, hụ, ma nwee ahụmahụ banyere omenala nri na ihe oriri nke obodo ma ọ bụ mba ọzọ. Ọ bụghị naanị maka iri nri, kama ọ bụ maka ịmụ, ịchọpụta, na ịmata omenala, ọdịnala, ihe nketa, na njirimara nke otu obodo site n'ihe oriri ha.

Ụlọ ọrụ World Food Travel Association (2021) kọwara njemnlegharị anya nri dịka "ịga njem iji nwee ụtọ ebe, iji ghọta mmụọ na àgwà ebe ahụ," na-egosipụta otú nri si bụrụ isi akụkụ nke ahụmịhe omenala. N'otu aka ahụ, Ugoji (2023) kọwara njem nri dịka njem ebe nri na ihe ọṅụṅụ bụ isi ihe na-akpali mmadụ ịga njem. Ugoji ruturu aka na njem nri bụ "ịga leta ndị na-emepụta nri, emume nri, ụlọ nri, na ebe ndị a na-eme ihe oriri pụrụ iche. Nke a gosiri na njem nri gbasara inwe ahụmahụ banyere nri bụ isi ihe na-akpali mmadụ ime njem, ka ọ mara etu e si akọpụta nri, esi nri, mgbe e ji esi ya, ihe e ji ya emecha, njirimara nri ahụ na mpụtara ya. Njem nri (food tourism) mmetụtara ihe atọ gụnyere:

- nri kpọmkwem (indigenous cuisine)- ụdị nri ọdịnala dị iche iche dịka ji, akpụ, na ndị ọzọ.
- Mmeremme nri (food practices)- nke na -egosi etu e si akọpụta nri, etu dị iche iche e ji esi nri, na etu e si eri nri, tinyere etu e si eke maọbụ ekenye nri tinyere nghọta ọ na- enye.
- Usoro ọdịnala nri (culminary traditions)- nke a gbasara mpụtara na akara njirimara nri tinyere ụdị ihe dị iche iche e ji nri eme dịka emume, ịchụaja na nd ọzọ.

Nke a gosiri na njem nri gụnyere nri a na- eri eri, usoro ịkọpụta nri, isi nri, iri nri tinyere ike nri, nakwa ihe nchụ aja, akara niile gbasara nri na mpụtara ha.
E nwere akara njirimara njem nlere anya nke nri bụ nke gụnyere:
1. Nchọpụta Omenala (Cultural Exploration):
Njem nri na-enye ndị njem ohere ịmata omenala, ụkpụrụ, na njirimara nke obodo site n'ihe oriri ha na usoro e ji esi nri ha.
2. Mmetụta akụ na ụba (Economic Impact):
Ọ na-akwado akụ na ụba obodo site n'inyere ndị ọrụ ugbo, ndị na-esi nri, ndị na-azụ ahịa nri, ụlọ nri, na ndị na-ere nri n'okporo ụzọ aka.
3.Ihe nwere ikpo ụtọ (Authenticity):
Ndị njem na-achọkarị nri nwere ikpo mma ma dị ụtọ n'eziokwu, ụdị nri omenala, ihe oriri sitere n'ala, na ụzọ pụrụ iche na etu e si esi ha.
4. Ahụmahụ na mmụta (Experience-Based):
Ọ gafere iri nri naanị, ọ gụnyere ịmụ ka esi esi nri, ịṅụ mmanya ma ọ bụ njem nri n'ụzọ, ịgụ akụkọ banyere nri, na ịga leta ugbo ma ọ bụ ahịa.
5. Njirimara ebe njem (Destination Branding):
Nri na-abụ akụkụ nke njirimara njem nleta nke obodo, dịka pizza na Italy, sushi na Japan, ma ọ bụ jollof rice na Naijiria. Ịga Mexico iji mụta banyere tacos al pastor na omenala tequila. Ịbịa emume Ofala n'Ala Igbo ebe a na-egosipụta nri omenala dị iche iche n'oge emume ọdịnala. Ndị njem na-abịa Nsukka iji ṅụọ mmanya nkwụ ma mụta otu esi eme okpa ma ọ bụ abacha ama ama.

N'etiti ihe a niile, Afrika, ọkachasị Naịjirịa, ka bụ ndị a na-amaghị nri ha nke ọma n'ụwa. N'ime Nigeria, karịsịa n'etiti ndị Igbo sitere mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa, nri abụghị naanị ihe na-enye ndụ, kama ọ bụ ihe njirimara, mmemme, nkenke nke agbụrụ, akụkọ ọmụma omenala, na mmekorita mmadụ. Site n'ọkpa, abacha, na ọfè onugbu, ruo ụkwa na nkwobi, nri ndị Igbo na-akọ akụkọ banyere

ndụ, mgbalị, na ihe ọmụma. Nri ndị a abụghị naanị ihe e ji eri; ha bụ akwụkwọ ndụ nke omenala Igbo. Ụzọ e si esi nri omenala Igbo dịka ụkwà, ọkpà, achịcha, abacha, nkwọbi, egusi, ọfè onugbu, na ọtụtụ ndị ọzọ na-egosi uru nri, akara ihe mgbakọ, na ihe akụ na ụba. Ihe ndị a bụ akụkụ nke usoro ọmụma ndị Igbo, ebe a na-ebufe usoro ịkụ, ihicha, ịtụ isi, na iri nri n'etiti ọgbọ ruo ọgbọ (Chukwu & Dogbe, 2023; Chukwurah et al., 2025). Nke a mere ha ji kọwaa njem nri ndị Igbo dịka nchọpụta na nkwado nri omenala, ụzọ isi nri, na omume iri nri nke ndị Igbo dịka ahụmịhe omenala nke na-adọta ndị njem, na-eme ka njirimara ndị Igbo pụta ihe ma kwalite ọkwa akụ na ụba. Nkọwa niile a na- egosi, na n'ọdịnala Igbo, nri gụnyere ihe achụmaja, mmemme, akara mpụtara na amamihe niile gbasara nri n'omenala Igbo. Nri n'ala Igbo abụghị maka oriri, kama ọ bụ akara njirimara, ihe nke mmụọ na omenala.

Njem nri (food tourism) n'ala Igbo mmetụtara ihe atọ gụnyere:

- nri kpọmkwem (indigenous cuisine)- nke a bụ nri ọdịnala niile a na- akọpụta n'ala Igbo dịka ji, akpụ, ede, ọka, na ndị ọzọ, ofe dị iche iche e ji mara ndị Igbo dịka ofe ọra, ofe onugbu, egisi, ọgbọnọ, nsala, ụtazị, okoro, ofe akwụ. Nke a gbasakwara nri ntagharị ọnụ dịka ọkpa, abacha, nkwọbi, ụgba, na ndị ọzọ/ E nwere nri mmemme dịka ji na ose e ji eme emime ji.
- Mmeremme nri (food practices)- nke na -egosi etu e si akọpụta nri, etu dị iche iche e ji esi nri, na etu e si eri nri, tinyere etu e si eke maọbụ ekenye nri tinyere nghọta ọ na- enye. N'ala Igbo, ndị nwoke na-a akọ ji, ene ndị nwaanyị na- akọ akpụ, ndị nwaanyị na- esi nri na akụkwara ndị na- eto eto etu e si esi nri, ezinaụlọ na- erikọ nri ọnụ iji gosi ijikọ ọnụ na ịdị n'otu, ma a na- etinye ya na nnukwu ọkwa, e ji nri ezivụta nkwenye maọbụ nsọala dịka nri ndị e ji achụ aja na nri ndị mpaghara ụfọdụ maọbụ nwaanyị dị ime anaghị eri dịka ejula.Nri ka e ji anabata ndị ọbịa.
- Usoro ọdịnala nri (culminary traditions)- nke a gbasara nchụaja, mmemme, akara njiri mara, na amamihe niile gbasara nri ndị Igbo, dịka ọjị e ji anabata ọbịa maọbụ ebido mmemme, nri ji e ji ememume nwere akara dịka iri ji ọhụrụ, nri na mmanya e ji eme mmemme ịgba nkwụ, nri e ji atọpụ n'agbụ maọbụ e ji achụ aja, akụkọ na ilu okwu e ji ezipụta ihe gbasara nri dịka ji bụ ndụ. Ọ na-egosi na nri abụghị naanị maka erirmeri n'ala Igbo kama na ọ bụ akara njirimara, ihe ntọaja na omenala. Nkọwa dị n'elu na- egosi na njem nri abụghị naanị maka ndị mba ofesi maọbụ obodo ọzọ ịbata rie nri ndị Igbo

> kama na ọ gụnyere ịmata etu e si esi ụdị nri ahụ dị iche iche, mpụtara nri ahụ maọbụ ihe ọ na- egosi tinyere ịmata akara njirimara ya, etu e si akọpụta ya, mgbe e ji esi ya na ihe e ji ya emegasị, nakwa etu e si erikọta nri ọnụ n'ọdịnala Igbo.

Nke a mere na njem nri metụtara ma ọjị e ji anabata ndị ọbịa maọbụ amalite mmemme, nri nke a na-eri eri na mmanya e ji eme mmemme dịka ịgba nkwụ, tinyere nri e ji achụ aja.

Abịa n'ihe gbasara nri n'ọdịnala Igbo, ụmụnwanyị Igbo bụ ndị na-echekwa, na-emepụta ihe ọhụrụ, ndị azụmahịa na-ebuga ihe ọmụma nri n'ọgbọ ruo n'ọgbọ. Ụmụnwaanyị Igbo bụ ndị na-echekwa nka isi nri, mara ngwa ihe e ji esi nri omenala, etu e si esi nri mmemme, nke oriri, na ihe omume ezinụlọ. Ndị inyom Igbo na-echekwa omenala site n'ichekwa nri, ịkụziri ndị ọzọ, imepụta ihe ọhụrụ, na ime ka nri bụrụ akụkụ nke ọdịnala ọbụna n'oge nzuruụwa.

Dị ka nne, ha na-esi nri n'ezinaụlọ, esi nri mmemme na nri ha ji achụnta ego n'ụzọ dị iche iche. Nke a mere na ndị nwanyị na-anọchi anya ihe Bourdieu (1986) kpọrọ akụrụngwa omenala (cultural capital), n'ihi na ha ji isi nri achụta ego mana akwalite ọkwa akụnụba karịa isi nri naanị maka ezinaụlọ. Ọrụ ha agaghị akwụsị n'ụlọ, kama ọ na-agafe n'emume, ahịa, ụlọ oriri, na obodo ndị bi n'ala ọzọ, ebe nri ndị Igbo malitela inweta aha na nsọpụrụ n'ụwa niile (Eze, 2021). Dịka ihe atụ, n'obodo dị ka London na Houston, ụlọ nri ndị Igbo nke ndị nwanyị na-achịkọta aghọgo ebe njem omenala, na-adọta ndị Igbo bi n'ala ọzọ ya na ndị mba ọzọ na-achọ "ezigbo nri Afrịka."

N'ịga n'ihu, ihe ọzọ bụ na, emume ndị Igbo dị ka Ịwa Ji (Emume Iri Ji Ọhụrụ) na Ofala na-agwakọta nri dịka ihe emume na ihe na-adọta ndị njem (Okonkwo, 2020). Emume ndị a na-ejikọta ihe nsọ na ihe e ji eme emume ọnụ, na-eme ka njirimara Igbo sie ike ma na-emekwa ka e nwee ohere maka njirimara njem nleta. Atụtụ nke Cultural Capital Theory bụ nke Pierre Bourdieu tụpụtara n; afọ (1986). Atụtụ a na- akọwa na omenala bụ akụrụngwa na- akwalite ọkwa akụnụba na mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. Atụtụ a na- akọwa na nri ọdịnala dịka ụzọ e si ezipụta omenala bụ otu ụzọ e si akwalitezi njem nlere anya n'ụwa, ma nke na- enye oghere ọdịbendị maọbụ njirimara ịghọ ngwa mmepe na ịkwalite akụnụba.

Atụtụ Gastronomy Tourism bụ nke Richards & Hjalager, guzobere n'afọ (2002). Atụtụ a hụtara nri dịka ahụmahụ omenala: N'ebe a, atụtụ a kwenyere na nri abụghị naanị ihe e ji ebi ndụ, kama ọ bụ ngwa ahịa omenala nke na-adọta ndị njem ịmụta omenala obodo ọzọ. Atụmatụ a kwenyere na njirimara ebe njem (Destination Identity): N'ihi ya ọ na-arụtụ aka na nri obodo na-anọchite anya njirimara ebe njem nleta, na-eme ka ndị njem cheta ma kpọọ ebe ahụ n'aha site n'ihe oriri ha chọpụtara. Atụtụ a kwenyekwara na ijikọta nri na akụ na ụba njem nleta: Nke a na- egosi na ọzụzụ nri jikọtara ọrụ ugbo, omenala, na ụlọ oriri, ma nke a na-eme ka nri obodo ghọọ ihe eji ere ahịa n'ụwa site n'emume nri, njem nri omenala, n'ụlọ akwụkwọ, na akara ahịa nri (branding).

Atụtụ a kwenyere na eziokwu na ịdịgide adịgide (Authenticity and Sustainability):
Njem nri omenala na-elekwasị anya n'ime ka nri eziokwu na-eme ka omenala dị ndụ, na-akwado akụ na ụba obodo, ma na-eme ka ihe oriri dịgide.

Atụtụ a nwere mmetụta na nchọcha a, n'ihi na ọ na- egosi na nri omenala dị ka ụkwa, ọkpa, abacha, ofe nsala, na ndị ọzọ abụghị naanị ihe a na-eri kwa ụbọchị, kama ha bụ ngwa ahịa njem nleta nke nwere ike ịdọta ndị njem site n'obodo maọbụ mba ọzọ. Ọ na-egosi na site n'ịkwadebe nri ndị a, a ga-emepụta ụzọ ọhụrụ e si esi ya, na ire ya n'ahịa ma ọ bụ n'emume omenala, ma n'ihe niile a, ọ bụ ụmụ nwanyị Igbo na-etinye aka n'ịmepụta akara njem nleta (destination branding) na mmekọrịta mba ụwa site n'omenala nri (cultural diplomacy). Ọ na-enyeaka ịghọta otu a ga- e si eji nri omenala Igbo nke ụmụ nwanyị na-achịkọta mana echekwa omenala, ịkwalite akụ na ụba, na ịkwado njem nri ụwa n'ime usoro omenala Igbo.

N'agbanyeghị ihe ọma a niile, nsogbu dị ka nzuruụwa (globalization), mmepe obodo, na ndị na- esi nri oghe ngwa ngwa (fast food) na-akụda mbọ ime ka nri omenala dịgide. Ụgbọ ọhụrụ nwere ike ịkwado nri mba ọzọ karịa nri omenala, ebe ahịa ụwa na-eleghara onyinye nri Afrịka anya (Ajayi, 2019). Nke a na-eme ka ọ dị mkpa ichekwa, dee, kwanyere ugwu, ma mepụta ụzọ ime ka nri omenala ndị Igbo na ọrụ ndị nwanyị n'ime ya bụrụ ihe a ma ama n'ụwa, dịka ụzọ ichekwa omenala na ụzọ mmepe akụ na ụba. N'ihi ya, nchọpụta a chọrọ ịtụle nke ọma ọrụ ụnwanyị Igbo n'ịmepụta njem nri ụwa na n'ichekwa njirimara nri omenala, tinyere ịmata etu a ga- esi kwado ụmụnwaanyị Igbo. N'ime ka nri omenala Igbo bụrụ ezi akụrụ

ngwa nkwalite ọnọdụ akụnụba, nchekwa omenala, na mmepe njem nri n'Afrịka, tụmadị n'ala Igbo.

Nsogbu Nchọpụta

N'ụwa jikọtara ọnụ nke anyị bi taa, nri aghọwo akara omenala dị ike na ngwá ọrụ akụ na ụba nke na-akpụzi ụlọ ọrụ njem nleta n'ụwa niile. Ụmụ mba dịka Italy, Thailand, na Mexico enyerela nri ha aka ịghọ akụ njem ụwa, site n'ịgbanwe nri obodo ka ọ bụrụ aha a ma ama n'ụwa nile. Ma n'Afrịka, ọkachasị na Naịjirịa, nri omenala anọghị n'ụlọ ọrụ njem nri ụwa n'ụzọ zuru ezu. Nke a na-eweta ihe ize ndụ abụọ: ọnwụ akụ na ụba, yana ịla n'iyi nke ihe ọmụma omenala e jikọtara na nri. N'ebe ndị Igbo nọ, nri bụ akụkụ nke njirimara, ncheta, na ihe nketa. Nri dịka okpa, abacha, ukwa, na ọfè onugbu abụghị naanị ihe a na-eri; ha bụ akwụkwọ omenala nke na-ejide ihe ndị Igbo kwenyere n'ime ya, ndidi, nnabata, na ọgụgụ isi. N'agbanyeghị na nri omenala n'ụwa ọzọ aghọgo ngwá ọrụ nkwalite akụ na ụba na nchekwa omenala, ọ dịghị etua n'ala Igbo n'ihi mmepe obodo, nzuruụwa, nri oghe ngwa ngwa na nri ndị mba ọzọ nke ndị ọgbara ọhụrụ jiri nyiri isi taa, ma ọnọdụ ọjọọ a na- emezi na anaghị enyefezi nri omenala Igbo na akandị na- eto eto, n'ihi na ha na-ahụtazi ya ka ihe agbaa ochie. N'etiti nsogbu a niile bụ ndị nwanyị Igbo, ndị kemgbe ọgbọ gara aga bụ ndị na-echekwa, ndị na-emepụta ihe ọhụrụ, na ndị na-ebuga ihe ọmụma nri n'ụzọ dị iche iche site isi nri ezinaụlọ. nri mmemme na nke a na-ere ere. Nri obodo bụ ihe dị mkpa n'ịmepụta njirimara obodo njem nleta na n'ịdọta ndị njem mba ọzọ. Ọ bụ ihe nwute n'agbanyeghị na nri Igbo bụ ihe a na-akwanyere ùgwù nke ukwuu n'ala anyị ma na-eji ya eme nnukwu emume dịka emume Iri Ji Ọhụrụ mana, a naghị ekwu maka ya nke ọma n'ụlọ ọrụ njem nri ụwa. N'ihi ya, ka onye nchọcha ji chọọ inyocha otú ndị nwanyị Igbo, dịka ndị na-echekwa omenala, nwere ike isi tinye nri omenala n'ụlọ ọrụ njem n'ụwa.

Ajụjụ Nchọpụta

Ajụjụ nchọcha abụọ ka e ji mee nchọcha a

1. Kedu nhụtara ọrụ ụmụ nwanyị Igbo n'ebe ichekwa na ịnyefe nri omenala Igbo n'oge nzuruụwa (globalization) na njem nri (food tourism)?

2. Kedu ụzọ a ga- esi hazie ma kwalite aka ọrụ ụmụnwaanyị Igbo n'ebe isi nri ndị Igbo dị ka ọ bụrụ ngwa nkwalite ọkwa akụ na ụba ha na ime ka nri ndị Igbo sonye na njem nri ụwa.

Usoro Nchọcha

Ụdị nchọcha ọmụmụ a bụ usoro sọvee nkọwa. Nworgu (2006) hụtara usoro sọvee nkọwa dịka ịkọwa ihe omume na otu ihe dị n'agbakọnyeghị maọbụ iwepu ihe ọbụla oge a na-eme nchọcha ahụ. Ụdị nchọcha a dabara n'isiokwu nchọcha a, ebe ọ bụ na nchọcha a nwere mmasị n' isi n'ọgụgụ isi ụmụnwaanyị na-esi nri wee mata etu ụmụnwaanyị Igbo ga- esi kwalite ma chekwaba nri ọdịnala Igbo maka ịkwalite ọnọdụ akụnụba na inwe ọnọdụ na njem nri ụwa.

Ebe nchọcha gụnyere mpaghara ọwụwa anyanwụ Naịjirịa. Ndị e ji eme nchọcha bụ ụmụnwaanyị na- esi nri n'ezinaụlọ, ndị na-esi nri ahịa na ndị nwe ụlọ oriri, ndị na-eregarị nri n'okporo ụzọ maọbụ ebugarị nri n'ahịa, ndị inyom na-esi nri n'oge emume omenala. Onye nchọcha gbasoro usoro nhọrọ ebumnobi wee họpụta ụmụnwaanyị na-esi nri ọdịnala Igbo dị iri asatọ, o jiri mee nchọcha. Ngwa e ji mee nchọcha bụ njụmaza, nke ihe e depụtara na ya dị iri na anọ e nyere ụmụnwaanyị dị ịiri isii na ajụjụ ọnụ a gbara ụmụnwaanyị dị iri abụọ. Onye nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị agbanwe site n'iji usoro ntụcha data a na-akpọ Cronbach Alpha na Bekee, ma e nwetara akara 0.84. E jiri usoro ntụcha miin na ndịpụ n'izugbe na usoro ntụcha ndịna wee mee nchọcha a.

Nchọpụta

Ajụjụ Nchọcha 1

Kedu nhụtara ọrụ ụmụ nwanyị Igbo n'ebe ichekwa na ịnyefe nri omenala Igbo n'oge nzuruụwa (globalization) na njem nri (food tourism)?

Tebul 1: Mini echiche ndị ụmụnwaanyị Igbo n'ebe nhụtara ọrụ ụmụ nwanyị Igbo n'ebe ichekwa na ịnyefe nri omenala Igbo n'oge nzuruụwa (globalization) na njem nri (food tourism)

Ọnụ ọgụgụ	**Ihe e depụtara maka ime nchọcha**	**Ọgụ**	**Miin**	**Ndịpụ n'izugbe**	**Mkpebi**
1	Ụmụ nwanyị Igbo bụ ndị isi nchekwa nri omenala na ihe ọmụma banyere otu esi esi nri omenala.	80	2.71	0.55	Kwere ekwe
2	Emume na oriri omenala ndị Igbo na- enwe ugwu na enyekwa obi ụtọ n'ihi na ụmụ nwanyị Igbo na- esi nri ndị Igbo iji chekwa ma guzosi ike n'ihe gbasara nri omenala.	80	2.77	0.61	Kwere ekwe
3	Ụmụ nwanyị Igbo bụ ndị na-ebufe ihe nketa nri site n' ịkọ akụkọ, ịkụziri ụmụaka, na ịkụziri ndị na-amụ ọrụ (apprenticeship).	80	2.82	0.68	Kwere ekwe
4	Ọrụ ụmụ nwanyị Igbo n'ịkwadebe nri na-eme ka ịhụnanya ezinụlọ na imekọrịta obodo sie ike.	80	2.75	0.64	Kwere ekwe
5	Ụmụ nwanyị Igbo na-alụ ọgụ megide ịla n'iyi nke nri omenala n'aka omenala nri ngwa ngwa (fast food).	80	2.91	0.70	Kwere ekwe
6	Ahịa na ebe a na-ere nri nke ụmụ nwanyị Igbo na-achị bụ ebe a na-ebufe ihe ọmụma nri omenala.	80	2.78	0.57	Kwere ekwe
7	Ụmụ nwanyị Igbo na-agbanwe nri omenala ka ọ dabara n'oge a n'enweghị ịla n'iyi nke ezi ọdịnala ya.	80	2.88	0.68	Kwere ekwe
8	Usoro nri omenala nke ụmụ nwanyị Igbo na-edobe na-eme ka ịtụ isi	80	2.82	0.68	Kwere ekwe

	omenala na mpako nke ndị ntorobịa bawanye.				
9	Enweghị ụmụ nwanyị Igbo, ihe nketa nri omenala ga-adị n'ihe ize ndụ nke ịla n'iyi kpamkpam.	80	2.75	0.64	Kwere ekwe
10	Ịkwadebe nri omenala site n'aka ụmụ nwanyị Igbo na-enyere aka ichekwa njirimara omenala n'etiti ọgbọ dị iche iche.	80	2.91	0.70	Kwere ekwe

Mkpoko miin 2.80

Miin e nwetara gosiri na ihe niile e depụtara n'elu bụ nhụtara ọrụ ụmụ nwanyị Igbo n'ebe ichekwa na ịnyefe nri omenala Igbo n'oge nzuruụwa na njem nri, ebe e nwetara miin karịrị akara 2.50 na ndịna niile ma nwetakwa mkpoko miin 2.80 bụ nke karịrị kraịterịọn miin 2.50.

Ajụjụ Nchọcha 2

Kedu ụzọ a ga- esi hazie ma kwalite aka ọrụ ụmụnwaanyị Igbo n'ebe isi nri ndị Igbo dị ka ọ bụrụ ngwa nkwalite ọkwa akụ na ụba ha na ime ka nri ndị Igbo sonye na njem nri ụwa.

Tebul 2: Mini echiche ndị ụmụnwaanyị Igbo n' ụzọ a ga- esi hazie ma kwalite aka ọrụ ụmụnwaanyị Igbo n'ebe isi nri ndị Igbo dị ka ọ bụrụ ngwa nkwalite ọkwa akụ na ụba ha na ime ka nri ndị Igbo sonye na njem nri ụwa

Ọnụ ọgụgụ	**Ihe e depụtara maka ime nchọcha**	**Ọgụ**	**Miin**	**Ndịpụ n'izugbe**	**Mkpebi**
	Ịkwado ụlọ ọrụ njem nri omenala (Culinary Tourism Initiatives)				
11	Ịkwado Emume nri (Food Festivals): Ihazi emume nri ebe a na-egosi nri omenala Igbo, ka ụmụ nwanyị nwee ohere igosipụta nka ha n'ihe oriri, ka ndị njem si ebe dị iche iche hụ ya.	80	2.71	0.55	Kwere ekwe

12	Ịkwado ụlọ ọmụmụ isi nri (Cooking Classes): Nye ndị njem ohere ịmụ ihe banyere nri Igbo, ụzọ e si esi ya, na ihe ọ pụtara n'omenala.	80	2.77	0.61	Kwere ekwe
13	Ịmalite njem ahịa na ụlọ nri (Food Tours): Mepee njem nduzi n'ahịa, ụlọ nri, na ụlọ ndị mmadụ nakwa ebe a na - eme emume dị iche iche iji gosipụta nka ụmụ nwanyị Igbo n'ihe oriri omenala Igbo nakwa inye ndị ọbịa dị iche iche ohere ịhụ ma rienri ndị Igbo.	80	2.82	0.68	Kwere ekwe
14	Ide akwụkwọ nri omenala Igbo (Documentation of Igbo Recipes): Ide ma chekwaa akwụkwọ nri omenala Igbo na ụzọ esi esi ha, iji mee ka ihe nketa a dịrị ọgbọ na-abịa.	80	2.91	0.70	Kwere ekwe
15	Iguzobe ụlọ ọrụ mmụta nri omenala Igbo n'okpuru ndị ruru eru (Culinary Apprenticeships): Iguzobe ọrụ ọmụmụ nri ndị Igbo ebe ụmụ agbọghọ nwere ike ịmụ ụzọ e si esi nri omenala n'okpuru ụmụ nwanyị nwere ahụmahụ.	80	2.78	0.57	Kwere ekwe
16	Iwulite ihe ọmụmụ mmekọrịta omenala mba ụwa (Cultural Exchange Programs): Iwulite mmemme mgbanwe omenala n'etiti ụmụ nwanyị Igbo na ndị ọkachamara nri si mba ọzọ iji kwalite nghọta na ihe ọhụrụ n'ihe oriri.	80	2.88	0.68	Kwere ekwe
17	Ịkwalite ụmụ nwanyị site n'ọrụ azụmahịa (Empowerment through Entrepreneurship)	80	2.82	0.68	Kwere ekwe

18	Ọrụ Catering (Catering Services): Ikwado ụmụ nwanyị Igbo ka ha malite ọrụ nri ngo, na-enye nri omenala n'emume dị iche iche, dịka alụmụ nwaanyị, echichi, na oriri ọha.	80	2.75	0.64	Kwere ekwe
19	Ịrụ nri na ịkwakọta ya (Food Processing and Packaging): Kpalie ụmụ nwanyị ka ha banye n'ọrụ ịrụ nri, ịkwakọta, na ịre ngwaahịa dịka ntụ ọka, ntụ ọkpa, ose, ofe sauces, na nri/ihe oriri mmeghari ọnụ (snacks	80	2.91	0.70	Kwere ekwe
20	Ịmepụta ụlọ nri ebe a na-ere nri omenala Igbo dị iche iche (Restaurant and Food Stall Ownership): Inye ha ọzụzụ na nkwado akụ iji mepee ma chịkwaa ụlọ nri na ebe a na-ere nri Igbo.	80	2.71	0.55	Kwere ekwe
21	Ịgbasa ozi gbasara nri omenala Igbo site na ngwa dijitalụ azụmahịa (Digital Presence and Marketing)	80	2.77	0.61	Kwere ekwe
22	Mgbasa ozi mmekọrịta (Social Media): Ijiri mgbasa ozi mmekọrịta dịka Facebook, Instagram, na YouTube igosipụta nri Igbo, kesaa akwụkwọ nri (recipes), ma kwalite emume nri omenala.	80	2.82	0.68	Kwere ekwe
23	Blọgụ na weebụsaịtị nri (Food Blogs and Websites): Iwulite weebụsaịtị na blọgụ iji kesaa akwụkwọ nri Igbo, ụzọ esi ya, na akụkọ banyere ihe oriri omenala.	80	2.71	0.55	Kwere ekwe
24	Mmekọrịta na ndị na-akwalite nri (Influencer Partnerships):4 Irụkọọ ọrụ na ndị na-eme mgbasa ozi nri ma ọ bụ ndị na-ede blọgụ iji kwalite nri Igbo n'ụwa niile.	80	2.77	0.61	Kwere ekwe

25	Ime ka ụmụnwaanyị Igbo mata uru isi nri omenala Igbo bara n'ịkwalite akụ na ụba (Economic Benefits)	80	2.82	0.68	Kwere ekwe
26	Ịmụba ego (Income Generation): Imepee ohere akụ na ụba maka ụmụ nwanyị Igbo site n'ụlọ ọrụ ohe oriri, ka ha mụọ ego ma kwalite ọnọdụ ndụ ha.	80	2.91	0.70	Kwere ekwe
27	Mmepe obodo (Community Development): Ijiri ego a na-enweta site n'njem nri omenala mepe obodo, nyere ụmụ nwanyị na obodo ha aka.	80	2.78	0.57	Kwere ekwe

Mkpoko miin 2.71

Miin e nwetara gosiri na ihe niile e depụtara n'elu bụ ụzọ a ga- esi hazie ma kwalite aka ọrụ ụmụnwaanyị Igbo n'ebe isi nri ndị Igbo dị ka ọ bụrụ ngwa nkwalite ọkwa akụ na ụba ha na ime ka nri ndị Igbo sonye na njem nri ụwa, ebe e nwetara miin karịrị akara 2.50 na ndịna niile ma nwetakwa mkpoko miin 2.71 bụ nke karịrị kraịteriọn miin 2.50.

Mkpọkọta Nchọcha

Site na nchọcha e mere, ihe ndị a bụ ọkpụrụkpụ ihe a chọpụtara :

Nchọcha e mere gosiri na ụmụnwaanyị ndị Igbo na-anọchite anya amamihe nri nke nna nna ha, njirimara obodo, na ịdị ike nke obodo, n'ihi ya, ha bụ ndị na-ebufe ihe nketa nri site n' ịkọ akụkọ, ịkụziri ụmụaka, na ịkụziri ndị na-amụ ọrụ, emekwa na emume na oriri omenala ndị Igbo na- enwe ugwu na enyekwa obi ụtọ site n'isi nri ọdịnala, ha -na-alụ ọgụ megide nri ome ngwa ngwa juputara n'etiti ndị ntorobịa na ndị ọzọ. Nchọpụta ọzọ gosiri na ụzọ a ga- esi hazie ma kwalite aka ọrụ ụmụnwaanyị Igbo n'ebe isi nri ndị Igbo dị ka ọ bụrụ ngwa nkwalite ọkwa akụ na ụba ha na ime ka nri ndị Igbo sonye na njem nri ụwa gụnyere ịkwado emume nri, ịkwado ụlọ ọmụmụ isi nri, ịmalite njem ahịa na ụlọ nri, ide akwụkwọ gbasara nri omenala Igbo na ndị ọzọ.

Mkparịtaụka

Ihe a chọpụtara gosiri na a hụtara ụmụnwaanyị ndị Igbo dịka ndị nwere ezi nka na ichekwa, ịkwalite, na ime ka nri omenala pụta ìhè n'ụwa, tụmadị n'oge nzuruụwa na njem nri ụwa (global food tourism). Nchọcha a yitere nchọcha nke Chukwu & Dogbe (2023) bụ ndị kọwara na ụmụnwaanyị Igbo nọ n'akụkụ ụzọ dị mkpa n'akụkọ ndụ omenala ndị Igbo Site n'ihe a chọpụtara, ọ na-egosi na ụmụnwaanyị ndị Igbo na-anọchite anya amamihe nri nke nna nna ha, njirimara obodo, na ịdị ike nke obodo, ma ha na-alụ ọgụ megide nzuruụwa, usoro iri nri nke oge a, na usoro nri ụlọ ọrụ nke na-eyi ndụmọdụ nri omenala egwu. Ihe a chọpụtara na-egosi na ndị ntorobịa na-eji magi ọtọ bịrị esi nri kama ụgba maọbụ ogiri osisi na ihe ntụ ọka omenala, ma agwa dị etu a mere iji nri omenala na-ebelata. Ihe a chọpụtara na-egosi na ụlọ oriri na nkwari akụ n'ala Igbo na-eri nri mba ọzọ karịa nke omenala, n'agbanyeghị mmasị ndị njem.

Ihe ọzọ a chọpụtara gosiri na inye ụmụnwaanyị Igbo ezi nkwado n'ebe ịkwalite isi nri omenala Igbo dị mkpa n'ihi na ọ ga- eme ka ọrụ nri ndị Igbo bụrụ ihe a ma ama n'ụwa, ma jiri ya mee ka a mata uru ndị nwanyị nwere n'ichekwa omenala, n'ịkwalite mpako agbụrụ, na n'iwulite ọnọdụ akụ na ụba nke ha. Nchọpụta a gosiri na ịkwado nri omenala ndị Igbo bụ otú ụzọ jikọtara omenala, akụ na ụba, na njem nleta. Ọ bụ nzọụkwụ iji hụ na nri Igbo anaghị alaa n'iyi, kama ọ na-enweta nsọpụrụ dịka otu n'ime akụ kacha baa uru a pụrụ ịtụkwasị obi n'ịmepụta ọdịnihu omenala na nke njem nleta Afrịka. Nchọcha a yitere nchọcha nke Okoro (2024) na Ola (2025) bụ ndị kọwara na nri omenala Igbo juputara n'uru ahụike, akara omenala, na nnukwu ohere maka mmepe njem nleta. Otú ọ dị, ọnọdụ dị ala nke nri omenala n'ụlọ oriri na nkwari akụ, mmebi usoro omenala n'etiti ndị ntorobịa, na ihe egwu ahụike na njirimara sitere na mgbanwe nri, na-egosi na ọ bụrụ na a naghị ewere ihe omume kpamkpam, ihe nketa omenala a nwere ike ịda ma ọ bụ laa n'iyi. Nkọwa a na-arụtu aka na ịmata na ịkwalite ụmụnwaanyị Igbo dị ka ndịozi nri omenala abụghị naanị ọrụ omenala, kama ọ bụkwa ụzọ amamihe zuru oke maka nchekwa omenala, ime ka ahụike dịkwuo mma, ma mepee ụzọ ọhụrụ maka njem nleta.

Mmechi

Njem nri bụ otu n'ime alaka njem nleta ebe ndị mmadụ na-eje njem iji mụta, hụ, ma nwee ahụmahụ banyere omenala nri na ihe oriri nke obodo ma ọ bụ mba ọzọ. Ọ bụghị naanị maka iri nri, kama ọ bụ maka ịmụ, ịchọpụta, na ịmata omenala,

ọdịnala, ihe nketa, na njirimara nke otu obodo site n'ihe oriri ha. N'otu aka ahụ, a hụtara ụmụnwanyị Igbo dịka ọkpụkpụ ndụ nke nri omenala na njirimara ọdịnala anyị. Agwa na agbambọ ha gbasara nri omenala Igbo na-egosi ịdị ike, akụkọ ihe mere eme, na ihe okike, mee ka ha bụrụ ndị a na-apụghị ịgbanarị n'ịchekwa omenala na mmepe njem nlegharị anya. N'agbanyeghị na nzuruụwa na-akpata ihe egwu nye nri ọdịnala, ọ na-ewetara anyị ohere ịmepụta ihe ọhụrụ n'ime omenala anyị. Ọ bụrụ na e jiri amamihe ụmụnwanyị Igbo na nka ha n'ime nri omenala rụọ ọrụ dị ka aku ọdịnala (cultural capital), Afrika, Nigeria tụmadị ala Igbo ga-akwalite aha nri ọdịnala ya n'ụwa nile, ma nyere ụmụnwanyị aka n'ụzọ akụ na ụba, ma zipụta ohere mmekọrịta n'etiti omenala dị iche iche. N'ime nri Igbo ọ bụla, ọ bụghị naanị nri dị, kama ọ bụ akụkọ ọdịnala, akụnụba, na ndụ.

Ịtụalo

1. Gọọmenti alaka nke ndị isi ngalaba njem nleta na omenala kwesịrị ịmepụta iwu na ego pụrụ iche maka ịkụzi akara na ịkwalite nri omenala Igbo maka ịkwalite njem nlegharị anya

2. Gọvmentị na ndị otu mgbazi ego kwesiri ịkwado ọzụzụ pụrụ iche maka ụmụnwaanyị Igbo n'ihe gbasara nchekwa nri, nchịkwa ụlọ oriri na nkwari akụ, ahịa, mgbasa ozi dijitalụ, na ịkọ akụkọ nri, iji mee ka ha nwee nka zuru oke n'ịgosipụta nri omenala n'ụwa.

3. Ndị ụlọ ọrụ na- ahụ maka ihe ubi ga- akwado ndị ọrụ ugbo na-akụ ihe eji esi nri omenala dị ka osisi, akwụkwọ nri, na akpụ, site n'ịkwalite ụzọ njem, nchekwa, na njikọ ahịa, iji hụ na ihe a na-eji esi nri dị mma ma kwụsie ike.

4. Ndị na- ahụ maka amụmamụ Igbo nakwa ọmụmụ nri n'ụlọakwụkwọ ga-agba mbọ ịhụ na e dekọtara na chekwaba ihe nketa nri (Documentation & Preservation), dịka ichekwaba nri dị iche iche e nwere n'omenala Igbo, usoro e ji esi nri ndị ahụ, site n'iji vidio, foto, maka inyefe ya n'aka ndị na- eto eto.

5. Ndị gọvmentị ga-akwado emume nri, njem nri omenala, na ụzọ ọmụmụ ebe ụmụnwaanyị Igbo were ohere a mee ka ndị njem nwee ahụmịhe omenala zuru oke, ọ bụghị naanị iri nri.

6. Ndị otu UNESCO kwesiri ịnata nri Igbo a ma ama dịka nkà na omenala a na-apụghị ịhụ anya (Intangible Cultural Heritage).

7. E kwesiri inwe njikọaka nke ndị dibịa nri, ndị nkuzi ahụike, na ndị omenaala iji mee ka e nwee amụmamụ banyere uru nri omenala n'ahụike, ma gbochie ịdabere n'ihe nri ụgha nke oge a.

8. Njikọ ụmụnwaanyị Igbo nọ mba ofesi (Diaspora Engagement & Culinary Diplomacy) ka ha kwalite nri omenala n'ụwa, site n'ụlọ oriri, ngosipụta nri, mmemme omenala, ma ọ bụ ọrụ mgbasa ozi nri.

9. E kwesiri iji ụzọ mgbasa ozi mmekọrịta (Facebook, Instagram, YouTube), blọgụ, ma ọ bụ ihe ngosi ezipụta akụkọ banyere nri omenala, na-egosipụta ọrụ ụmụnwaanyị, ihe nketa, na njirimara omenala.

10. Ndị nchọcha kwesiri iji iwepụta oge iji nyochaa mgbanwe n'ihe ndị a na-eri, mmetụta ha n'ahụike, na uru omume e mere; hụkwa na olu ụmụnwaanyị, echiche ọgbọ dị iche iche, na ntụnyere omenala bụ akụkụ nke nnyocha ahụ.

References

Aji, R. U., Okoro, E. O., & Managwu, L. C. (2019). Evaluation of Indigenous Cuisine in Hotels and Restaurants in Aba, Abia State, Nigeria. *Archives of Current Research International*, 16(3), 1-7. Retrieved from https://doi.org/

Akinlua, J. T. (2021). Women as custodians of cultural heritage in Nigeria. *Journal of Cultural Studies,* 19(3), 88–102.

Akyeampong, E., & Fofack, H. (2022). Cultural heritage and tourism in Africa: Opportunities and challenges. *African Studies Review,* 65(1), 1–20.

Ankomah, P. K., & Larson, R. T. (2020). *Culinary tourism and African food heritage. Tourism Management Perspectives,* Retrieved from https://doi.org/

Ayisi, E. (2022). Indigenous food knowledge and its role in African cultural identity. *International Journal of Cultural Heritage,* 7(2), 112–127.

Bourdieu, P. (1986). The forms of capital. In J. Richardson (Ed.), *Handbook of Theory and Research for the Sociology of Education* Greenwood. Retrieved from https://doi.org/

Chukwu, E., & Dogbe, W. (2023). The cause and effect of the nutrition transition in Nigeria: analysis of the value of indigenous knowledge and traditional foods in Enugu State, Igboland. *Journal of Ethnic Foods,* 10(3) 65 - 78.

Chukwu, O. E., & Ibenegbu, C. (2021). Igbo traditional cuisine as cultural heritage and identity. Nigerian *Journal of Social Sciences*, 15(2), 75–90.

Chukwurah, G. O., Okeke, F. O., Isimah, M. O., Enoguanbhor, E. C., Awe, F. C., Nnaemeka-Okeke, R. C., Guo, S., Nwafor, I. V., & Okeke, C. A. (2025). *Cultural Influence of Local Food Heritage on Sustainable Development. World,* 6(1), 10. https://doi.org/

Cohen, E., & Avieli, N. (2020). *Food in tourism: Attraction and impediment. Annals of Tourism Research.* Retrieved from https://doi.org/ Retrieved from https://doi.org/

Ezeani, I. (2023). Globalization and cultural erosion: The fate of Nigerian indigenous cuisines. *Journal of African Studies,* 29(4), 210–225.

Falade, J. B., & Oduyoye, S. (2021). Culinary heritage and tourism development in Nigeria. *African Journal of Hospitality, Tourism and Leisure,* 10(5), 1240–1253.

Getz, D., & Robinson, R. (2021). Food events, festivals, and culinary tourism. *International Journal of Event and Festival Management*, 12(3), 301–317.

Hall, C. M., & Sharples, L. (2019). *Food tourism around the world: Development, management and markets.* Routledge.

Iwuoha, C. C. (2021). Indigenous knowledge systems and food security in Igboland. *Journal of Indigenous Studies,* 6(1), 45–59.

Long, L. M. (2018). Culinary tourism. University Press of Kentucky.

Nwankwo, R. U., & Uchenna, J. O. (2022). Women entrepreneurship and the preservation of Igbo indigenous foods. *Journal of African Women Studies,* 14(2), 65–82.

Okoli, B., & Okoli, R. (2021). Exploring the Potential of Nigerian Cuisine in Boosting Food Tourism: Challenges, Opportunities, and Strategies for Development. *Advances in Law, Pedagogy, and Multidisciplinary Humanities,* 3(1), 324-335.

Okonkwo, A. C. (2020). Igbo food heritage and cultural identity in the diaspora. International *Journal of Heritage Studies,* 26(9), 857–872.

Richards, G. (2002). Gastronomy: An essential ingredient in tourism production and consumption. In A.-M. Hjalager & G. Richards (Eds.), *Tourism and Gastronomy* (Routledge).

World Tourism Organization (UNWTO). (2022). *Tourism and gastronomy: Unlocking cultural heritage potential.* UNWTO. Retrieved from https://doi.org/